Chakapụta ya, pịajie ya abụọ ma dozie ya

MOZIS

KAADỊ AKỤKỌ BAỊBỤL 21

AJỤJỤ

A. Olee akwụkwọ Baịbụl ndị Jehova nyere Mozis ike mmụọ nsọ ya ka o dee?

B. Gịnị bụ aha nne na nna Mozis? _____ na _____. Olee onye kpọọrọ Mozis jiri ya mere nwa? _____ _____.

CH. Dechapụ ihe a e kwuru na Baịbụl: Mozis "guzosiri ike dị ka . . ."

98 O.N.K. — Mgbe e dechara Baịbụl

1 Oge Ndị Kraịst (O.N.K.)

Mozis biri ndụ n'ihe dị ka afọ 1500 Tupu Oge Ndị Kraịst

4026 Tupu Oge Ndị Kraịst — Mgbe e kere Adam



MOZIS

ONYE Ọ BỤ Ọ bụ nwoke mbụ Chineke nyere ikike ịrụ ọrụ ebube. Mozis bụkwa onye amụma Chineke, onyeikpe, onye na-enye iwu, nakwa onye ndú ụmụ Izrel. Ụmụ Izrel weere Mozis ka nwoke pụrụ iche n'ihi ọtụtụ ihe dị ịtụnanya o mere. —Diuterọnọmi 34:10-12; Ọpụpụ 4:1-9.

AZỊZA

A. Jenesis, Ọpụpụ, Levitikọs, Ọnụ Ọgụgụ, Diuterọnọmi, Job, na Abụ Ọma nke 90. Ọ ga-abụkwa ya dere Abụ Ọma nke 91.

B. Amram, Jokebed, Ada Fero.—Ọpụpụ 1:15–2:10; 6:20.

CH. ". . . à ga-asị na ọ na-ahụ onye ahụ anya bụ́ Onye a na-apụghị ịhụ anya." —Ndị Hibru 11:27.

www.jw.org © 2012 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania